# Ọrụ Mmwulite Omume na Agwa Ọma

Onye ahụ nke na-akpọ unu kwesịrị ntụkwasị obi, Ọ ga-emekwazu ya.
***1Tesalonaịka 5:24***

## Ọrụ Ebere – Usoro Ọmụmụ Mmecha

Nhụba ama - tupu I gụọ ndịnaya dị na ngalaba, nke modul a, ọ dị mkpa na enyochara ma mechaa usoro ọmụmụ tupu mmemme ọrụ ebere na ihe omume ebere.

Ugbu a ị rụrụla ọrụ gbasara ọrụ ebere dị ka omume ọma, ọ ga-abara gị uru ịtụgharị uche na mmekọrịta ya na omume ọma ndị ọzọ (ịdị umeala n’obi, ekele, na mmesapụ aka). Dị ka anyị tụlere na Usoro Ọmụmụ Ihe Ọrụ Ebere Tupu Ọrụ, omume ndị a na-apụta ugboro ugboro dị ka ndị jikọtara ọnụ. N’eziokwu, ọ gaghị ekwe omume ka otu omume ọma dịrị n’uju n’ime ndụ mmadụ ma ọ bụrụ na ndị ọzọ adịghị. Njikọ a dị mkpa maka ịghọta ihe mere anyị ji na-aga n’ihu na-arụ ọrụ n’omume ọma ọhụrụ, yana ndị ochie kwa. Otú ọ dịna, dị ka Pọl kwuru n’akwụkwọ 1 Ndị Kọrint isi nke 13, ewezuga ọrụ ebere, ndị ọzọ apụghịi itozu oke. Ọzọkwa, ọ gaghị ekwe omume ibi ndụ Ndị nke Kraịst na-enweghị ya. Ya mere, ọ ga-adị mkpa ị na-agụnye ọrụ ebere n’omume mmadụ mgbe nile.

Omenala taa na-elekwasị anya na ihe ga-esi na ya pụta, ya bụ, ihe ikpeazu ga-esi na ya pụta. Nke a na-eme ka ndị mmadụ lekwasị anya n'ihe ndị dị mma dị ka ndepụta ihe nlele, na-egosi nke ọ bụla ka ha na-agafe na ngalaba dị iche iche. Na-gbanyeghị, echiche a jupụtara na nsogbu. Nke bụ isi bụ na ọ na-eme ka mmadụ tụlee naanị otu omume nwere ike isi pụta na njedebe ihe omume ahụ mgbe izu ole na ole gasịrị. Ebe anyị maara na nkwalite agwa na-aga n'ihu n'oge niile nke ndụ mmadụ, ilekwasị anya na ihe ga-esi na ya pụta ga-eleghara mgbanwe ndị na-aga n'ihu na-eme ka ndụ na-agawanye.

Ọ dị mkpa karịa ile anya n’ịzụlite omume ọma na mwulite àgwà dị ka usoro na-enweghị njedebe. Ọ bụ ezie na ọ dị mkpa izere ile nke a anya n’ụzọ na-adịghị mma, ya bụ, na mmadụ agaghị eru ebe ozuzu oke, nke nwere ike ịkụda mmụọ, ọ dịkwa mkpa ịghọta na usoro a bụ akụkụ nke ihe mgbaru ọsọ ahụ. Ịwụlite àgwà nke ndụ na nka ndị na-enyere mmadụ aka ịmụta ihe site na ahụmịhe ndụ ọ bụla, na itolite site na ha, dị oke mkpa maka ọganihu mmadụ. Nyocha onwe onye, yana nzaghachi sitere n'aka ndị ọzọ mgbe ụfọdụ, ga-enyere mmadụ aka ịhụ uto putara ihe nke mere. Ebe ọ bụ na ngalaba ọrụ ebere a na-emecha omume ọma nke anọ, ọ ga-abụ ihe bara uru iwere oge a tụgharịa uche n’ọganihu mmadụ nwere. Jụọ onwe gị ajụjụ ndị dị ka, kedu ókè ole mu toliterela n’ịdị umeala n’obi, na-inye ekele ihuoma, na mmesapu aka, na n’ọrụ ebere? Olee otú m ga-esi kerịta ihe m na-amụta nyere ndị ezinụlọ m na ndị obodo m? À na m amụta igosi àgwà umu Chineke karịa otú m mere tupu mu amalite njem a?

Ọrụ St. Aquinas gụnyere mkparịta ụka gbasara ọrụ ebere (agapē) na mmekọrịta ya na ọbụbụenyi. Ịhụnanya nsọ a nke Chineke na-eweta n'ime ndụ onye kwere ekwe na-eduga n'ọbụbụenyi ya na Chineke nke Ọ na-achọ. Ọ bụ ezie na echiche nke ndi Ọdịda Anyanwụ na-elekwasị anya na ọdịiche dị n'etiti okwu ndị ahụ, echiche nke ndi Ọwụwa Anyanwụ na-abụkarị na ndị a nwere ike ịgbanwe agbanwe ma ọ bụ jikọta nke ọma. Otú ọ dị, maka onye nwere echiche ndị Ọwụwa Anyanwụ, ilekwasị anya n'okwu ndị dị ka ndị a bụ otú e si jikọta ha. Dị ka ihe atụ, okwu Agba Ochie maka ume, mmụọ, na ufufe bụ ruach. Ka echiche ndị Ọdịda Anyanwụ na-elekwasị anya n'ọdịiche dị n'etiti okwu ndị a, echiche ndị Ọwụwa Anyanwụ bụ na ha nwere ike dochie ibe ha ma ọ bụ na ha jikọtara ọnụ nke ukwuu. Mgbe mmadụ nwere otu, ndị ọzọ na-adịkwa.